Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.8 No.1 March, 2025; p.g. 21 – 34; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

AHAGHỊ OTU NKE JENDA NA NJIKỌTA ỌNỤ NKE MBA NIILE: ỌKACHASỊ N'OKPURU ỌCHỊCHỊ BENDE NA STEETI ABỊA

BRIDGET OGECHI DIOKA
Centre for Igbo Studies, University of Nigeria Nsukka
Email: bridget.dioka@unn.edu.ng
&
PEACE EBERE UDENSI, Ph.D
School of General Studies, University of Nigeria Nsukka
Email: peace.udensi@unn.edu.ng
&
JOY IFEADIKANWA OBAYI, Ph.D
Humanities Unity, School of General Studies/Art Education
University of Nigeria, Nsukka
Email: joy.obayi@unn;edu.ng

ỤMỊEDEMEDE

Ihe ọmụmụ a bụ maka ahaghị otu nke jenda na njikọta ọnụ nke mba niile ọkachasị n'okpuru ọchịchị Bende nke Steeti Abịa. Jenda bụ nkọwa doro ọha mmadụ anya banyere njirimara nwoke na nwaanyị. Anaghị akọwa jenda n'usoro ndụ n'ihi ihe e jiri mara nwoke maọbụ nwaanyị mana e ji ihe doro ọha mmadụ anya akọwa jenda. Ọ bụ iwu a haziri ahazi zuru ọha ọnụ ma oge ụfọdụ na-achịkwa usoro mmepụta na mmepụtakwa, nkesa na oriri n'ụzọ ọrụ ọ na-arụ. Ihe gbasara jenda na-agbakwasi ụkwụ na mmekọrịta dị n'etiti nwoke na nwaanyị, ọrụ ha na-arụ, ụzọ mbanye, nakwa njikwa n'ihe gbasara akụ na ụba, ike ọrụ, mmasị na mkpa. Ahaghị otu nke jenda pụtara echiche na ụzọ e si egosipụta na nwoke na nwaanyị ahaghị otu. Ọ na-egosipụta site n'akpamoke, ma nke pụtara ihe ma nke ọha mebere. Ụmụnwaanyị na-anọkarị n'azụ ụmụnwoke n'ọtụtụ ihe dị iche iche tinyere agụmakwụkwọ, ịchọ ọrụ, ebe a na-achọ ohere dị iche iche na nnọchị anya n'ebe ọchịchị nọ. Ahaghị otu nke jenda bụ ihe juru ebe niile n'ala anyị. Iji gabiga nsogbu nke a, obodo kwesịrị ileba ya anya. Mbunuche ihe ọmụmụ a bụ ileba anya n'etu ahaghị otu nke jenda si emetụta ndị bị n'okpuru ọchịchị Bende nke Steeti Abịa. Ihe a chọpụtara gosịrị na anaghị emesa ụmụnwaayị omume etu e si emesa ndị nwoke n'ụzọ nhataha n'obodo. Ahụghị ụmụnwaanyị dịka ndị dị mkpa n'obodo kama a na-ahụ ha dịka ndị a ga-ahụ anya ọ bụghị ndị a ga-anụ olu ha. Nke a na-emetụta mmpe obodo na njikọta aka ọnụ nke mba niile. Ndị nchọcha tụnyere arọ na e kwesịrị inwe jenda ha otu nke ga-enye onye ọbụla nọ n'obodo ohere ịha otu n'ụzọ dị iche iche dịka ọrụ, agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Ụzọ dị etu a ga-eweta mmepe n'obodo anyị nakwa ala anyị niile.

Okwu Pụtara Ihe: Ahaghị otu, jenda, njikọta ọnụ, mba niile.

MKPỌLITE

Jenda nke nwere nkọwa ọha dịka nwoke na nwaanyị abụghị otu ihe dịka okike nwoke na nwaanyị. Ihe e ji ama jenda bụ ụdị ọrụ e jiri mara nwoke na nwaanyị n'obodo, ndụ onwe na ndụ ọha mmadụ. Dịka otu FAO (1997) sịrị kọwaa, ọ kọwara jenda dịka mmekọrịta dị n'etiti

nwoke na nwaanyị ma ihe gbasara nke a hụrụ anya na nke e bu n'uche. Ọ bụghị ihe e ji etu e siri mụọ mmadụ amata n'ihi njirimara nke mmekọahụ nwoke maọbụ nwaanyị mana ọ bụ etu e si wee mebe ya n'anya ọha mmadụ. Ọ bụ iwu zuru ọha a haziri ahazi jikọtara obodo niile ọnụ nke oge ụfọdụ na-achọ ụzọ e si emepụta ma na-emepụtakwa, ụzọ e si eke na ụzọ e ji eri (FAO, 1997).

A bịa n'omenala, a na-aghọta jenda n'ụzọ ọ kwesiri. Ha na-ahụ ya dịka ibuli naanị ụmụnwaanyị elu, ma chefuo na ọ bụ mmekọrịta dị n'etiti nwoke na nwaanyị, ọrụ ha, ụzọ ha si abanye ma na-elekọta akụ na ụba, ike ọrụ etu o kwesịrị, ọchịchọ na mkpa. Baumann (2000) kọwakwara na mmekọrịta jenda na-emetụta ezinụlọ, nchekwa, ọdịnmma ezinụlọ, atụmatụ, mmepụta na ọtụtụ ihe ndị ọzọ banyere ndụ. Ebumnobi ya bụ ịgọsị ọrụ ọha na omenala nke nwoke ọbụla maọbụ nwaanyị ọbụla nọ n'obodo ọbụla a kpọrọ aha.

Ahaghị n'otu nke jenda bụ nnukwu ọgbatauhie nye njikọta mmadụ na mmepe obodo. Ụmụnwaanyị agbaala mbọ buru ibu kemgbe 1990, mana ha enwetebeghị nhatanha jenda. Ọghọm na-echere ụmụnwaanyị aka mgba bụ ụzọ pụtara ihe n'ahaghị otu jenda (Human Development Report, 2018). Ọha obodo kemgbe ụwa na-egosi akomoke n'ebe jenda ụmụnwaanyị nọ, site n'inye ha obere oghere n'ebe agụmakwụkọ na inwe oke ala nọ. A bịa n'omenala, anaghị enye ụmụnwaanyị ohere dịka ụmụnwoke n'ihi gbasara oke; iri ekpe na ihe ga-akwalite ọganihu obodo na ihe ndị ọzọ. Ọ bụ ihe ọha niile kwekọrịtara, n'ala anyị bụ Naịjirịa na ụmụnwaanyị ezughi oke n'ebe ụmụnwoke nọ. N'ihi ya, a sị na ha bụ ndị "ime ụlọ nke ọzọ" (the other room). Dịka etu ọnụọgụgụ sị gosị ya, Naịjirịa nwere ụmụnwoke otu narị na abụọ na naanị ụmụnwaanyị asaa n'ụlọ nzụkọ Sineti. Nke a na-agbawa obi. Ọnụọgụgụ ụmụnwaanyị dị pasentị iri ise n'ọnụọgụgụ ndị mmadụ nọ n'ala anyị n'ihi ya, gịnị mere gọọmentị ji emegbu ụmụnwaanyị n'ihe gbasara ọchịchị n'ala anyị.

A bịa n'ọdịnala, obodo anyị nke ala Igbo bụ otu n'ime ha, a mapụrụ ụmụnwaanyị n'iwu iketa oke ọbụla n'ala nne na nna ha, ajụjụ m abụrụ si, I bụ nwa nwaanyị ọ bụ arụ n'obodo anyị a? Na mmadụ esoghị n'otu ụdị okike ịbụ nwoke maọbụ nwaanyị ekwesighị ime ka ọ hapụ ịba uru maọbụ ị dị mkpa n'ebe ndị ọzọ nọ n'obodo anyị.

Ihe a akọwara n'elu ka Ugwuanyị (1996) kwenyere nke ọ kọwara na isiokwu bụ "Ụmụnwaanyị n'ụwa taa bụ ihe ụmụnwoke ji eme ihe ọchị ma na-emegbu ha n'obodo". Nkwenye ọha obodo n'ala anyị bụ na ụmụnwaanyị bụ ndị na-adighị ike na ndị na-anaghị eche uche nke ọma. Okwu a na-egosị n'ụzọ pụrụ iche na nsogbu a dị anyị n'aka nke na oge ụfọdụ anaghị enye ụmụnwaanyị ohere ka ha kwuo uche ha bara uru ọbụlagodu mgbe ha kwuru uche ha ahụ, a na-eleghara ha anya.

N'obodo Afrịka, ọrụ akpọmoke a na-ahụ na jenda gbakwasara ụkwụ n'akụkọ nkọmịrịkọ jenda nke nyere ụmụnwoke ike ịnọchi ebe niile, ijikwa na imegbu ụmụnwaanyị n'ihe gbasara akụ na ụba, agụmakwụkwọ na ọchịchị. N'ihi nke a, ọ bụ ihe doro anya ikwu ma a na-emegbu ụmụnwaanyị emegbu ma na-enye ha ohere ịkpagharị naanị ebe a chọrọ ka ha gaa nke butere ahaghị otu nke jenda.

Iji kọwaa okwu a dị n'elu nke ọma, Azikiwe (1992) chọpụtara na ọnọdụ ụmụnwaanyị n'obodo ka nwekwara ihe ndị na-emetụta ya dịka ihe ụfọdụ a na-eme n'omenala na ọdịnala Igbo. Nkọwa a dị n'elu bụ nke Azikiwe kọwara na-akọwa na a haziri obodo n'ụdị ọ ga-eme ka ụmụnwaanyị kwenye n'ọrụ na oke ọbụla obodo nyere ha n'agbanyeghị na o nweghị ihe bara uru inye ha ụdị ọrụ ahụ maọbụ ịkpa oke ahụ a na-akpa iji gosị ahaghị otu nke jenda a na-eme megide ụmụnwaanyị.

Ihe kpalitere ọrụ a bụ n'ezie na omenala, akụkọala na ọdịnala ndị Igbo hibere isi n'ahaghị otu nke jenda. Ihe ọmụmụ a, n'ezie chọrọ ka e leba anya n'ụdị ihe ahaghị otu nke jenda na-eme megide ụmụnwaanyị. Ahaghị otu nke jenda n'ezie bụ ụzọ e si kwanye otu ụdị otu maọbụ otu ndị mmadụ n'akụkụ obodo site n'ime ka ha ghara ime ka anụ olu, chọpụta ha maọbụ dobe ha ebe o kwesịrị.

Nsogbu Nchọcha

Jenda bụ ihe omenala turu anya n'aka bụ ọrụ na akparamagwa ụmụnwoke na ụmụnwaanyị. Nsogbu jenda bụ iwu obodo a haziri nke ọma zuru ọha ọnụ nke oge ụfọdụ ihe na-achị ya bụ ụzọ mmepụta, oriri na nkesa ọrụ. Ọ na-eleba anya na njirimara na uru nke omenala na obodo nyere oke na nwunye. Nke a na-egosị na obodo ọbụla nwere ụkpụrụ, iwu na ọdịnala na-achị ọrụ oke na nwunye nke bụ akara na-egosị ihe e jiri mara omenala. Ahaghị otu nke jenda ka a chọpụtarala dịka na o nwere mmetụta na-adịghị mma nke gozu dịka ọgbata uhie nyere njikọta nke obodo niile n'ala anyị.

Ụfọdụ mmetụta ndị ahụ na-adịghị mma gụnyere ịkpasị ha agwa n'ahaghị otu n'ụzọ omenala n'ebe oke na nwunye nọ; enyeghị ha ohere na-ahaghị otu n'ụzọ ọchịchị, ọrụ, agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Nsogbu ndị a kara metụta ụmụnwaanyị ime ka ha na-ezute nsogbu dị iche iche n'ụzọ ha na-agba mbọ ịhụ na a nuru olu ha ọbụghị naanị ihụ ha naanị n'anya n'obodo dịka etu obodo si ahụta ha. N'ihi ya, ọ bụ n'ihi nkọwa ntọala a ka ndị nchọcha ji gbaa mbọ chọpụta nsogbu nille ahaghị n'otu nke jenda na-eweta ọkachasị n'okpuru ọchịchị Bende nke dị na Steeti Abịa iji weghachite udo na ịdịnotu n'obodo anyị nke ga-emecha wetara ọganiihu n'obodo.

Nkọwa Doro Anya Maka Jenda

Okwu a bụ jenda dịka Daniel E Gberevbie na ndị ọzọ (2014) siri kọwaa abụghị otu ihe ya na ihe gbasara oke na nwunye naanị n'obodo. Jenda na-arụtụ aka n'ihe a tụrụ anya n'ụzọ omenala bụ ọrụ na akparamagwa oke na nwunye. Ọ na-elenye anya n'agwa na ọrụ a tụrụ anya n'aka oke na nwunye maka mmepe obodo. Ọ bụ ntụ e ji atụnyere akụ na ụba, oke na nwunye n'obodo anyị. Ihe gbasara jenda a na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti ụmụnwoke na ụmụnwaanyị, ọrụ ha, ụzọ e si abanye ma na-elekọta akụ na ụba, ike ọrụ, mmasị na ọchịchọ. Ihe ya na jenda na-agakọ na-emetụta ezinụlọ, nchekwa, ọdịmma ezinụlọ, atụmatụ, mmepụta nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ gbasara ndụ. Beauvior (1989) hụrụ jenda dịka ihe ahụ a ga-eji wee kọwaa mmepụta nke obodo na nke omenala n'ihe gbasara ịbụ oke na ịbụ nwunye. Ọ kọwara ụzọ oke na nwunye si emekọrịta n'etiti onwe ha. Ọrụ ndị ahụ a tụrụ anya n'aka ha bụ nke a mụrụ amụ nke nwere ike igbanwe n'oge ma gbanwee n'etiti obodo na omenala (Gupta, 2000:5).

Na nchịkọta jenda bụ okwu e ji egosipụta njirimara ndị obodo maọbụ omenala ehibere dịka oke na nwunye. Mgbe mmadụ maọbụ ndị mmadụ esonyeghị n'ụkpụrụ e wepụtara, ihe onye ahụ ga-ahụ bụ iwepụ ya n'obodo.

Ahaghị otu nke Jenda

Ahaghị n'otu nke jenda dị Jackson (2008) siri kọwaa bụ ụzọ ebe ụmụnwaanyị na ụmụnwoke na-ahaghị nha n'ụzọ ọbụla, n'ụzọ na-enweghị ngwụcha ma nke na-eme ugbu a ma nke terela aka, site n'ịgbaso ụzọ ebumnobi nke ya na ahụmihe nke onye ọzọ. Ahaghị n'otu nke jenda na-egbochi ma uto nke akụ na ụba ma na-ewedata ịda ogbenye n'obodo anyị. Dịka etu Bello-Imeam (1987:1) siri kọwaa, ahaghị n'otu nke jenda na-egbochi ụmụnwaanyị ịbanye ebe a na-enwe ike mmkpebi, oghere agụmakwụkwọ nakwa ikike ọhaneze na mmepe akụrụngwa. Obodo anyị na-akpa oke megide ụmụnwaanyị na ụmụagbọghọ ma na-egbọchi ha ohere agụmakwụkwọ, inwe ala na ihe onwunwe ndị ọzọ dị mkpa n'ala anyị.

N'ụzọ ọdịnala, a na-anapụ ha ohere ma hapụ ịkpasị ha na ụmụnwoke agwa n'ụzọ nhatanha n'ebe ihe gbasara ihe nketa, uto akụ na ụba kwụrụ chịm na ihe ndị ọzọ. Nkwenye ọha na eze n'obodo bụ na, ụmụnwaanyị na ụmụnwoke ahaghị otu. Ụmụnwaanyị dị ala n'ebe ụmụnwoke nọ, n'ihi ya asị na ọnọdụ ha bụ "n'ime ụlọ nke ọzọ".

N'ala anyị bụ Naịjirịa, anyị nwere ụmụnwoke dị otu narị na abụọ na naanị ụmụnwaanyị asaa n'ụlọ nzụkọ Sineti. Nke a bụ ihe mgbawa obi n'ihi na ụmụnwaanyị mebere pasenti iri ise n'ọnụọgụgụ ndị mmadụ niile bi n'ala anyị a bụ Naijirịa, kedụzị ihe kpatara obodo ji emegbu ha mgbe o ruru n'ihe gbasara ọchịchị. Ọzọkwa, obodo anyị amabichiela ụmụ anyị ụmụnwaanyị iketa oke ihe ọbụla n'aka ndị mụrụ ha. Ajụjụ m abụrụ, ịbụ nwa nwaanyị ọ bụ arụ n'obodo anyị? Na mmadụ esonyeghị n'otu okike mmadụ ibụ nwoke maọbụ nwaanyị ekwesighị ime ya onye na-adighị mkpa n'obodo anyị. N'agbanyeghị mbọ na enyemaka niile ụmụnwaanyị nọ n'ụwa niile na-agba ma na-enye, ndị obodo ka na-ahụkwa ụmụnwoke dịka ndị dị elu ma hụta ụmụnwaanyị dịka ndị dị ala. Nke a ka na-agakwa n'ihu n'obodo anyị ruo taa.

Mwekọta Mba

Ihe nweta pụtara ihe na mwekọta mba na-agbado ụkwụ na gọọmentị kwụ ọtọ maka ndị obodo ya niile. Dịka etu Bello-Iman (1987), siri kọwaa ya mwekọta mba bụ ụzọ e si ejikọta ma jisie ike mba, dị iche iche maọbụ agbụrụ dị iche iche e hibere n'ụzọ dabara adaba site na jịkọ aka ọdịdị ndị a chọpụtara omenala na uru ha. Mwekọta mba a nwekwara ike ịbụ ụzọ e nwere ike isi jikọta obodo, mba maọbụ omenala na mmadụ kwuru onwe ka ha bụrụ nnukwu mba maọbụ otu Steeti nwere ọtụtụ obodo n'ime ya iji nweta ọkwa dị elu, ntụkwasị obi na nlezi anya amamihe nke mba dị iche iche.

N'otu aka ahụkwa Jacob na Tenure (1964:9) kọwara na Enaruna (2014:63) n'uche ya na mwekọta mba/njikọta obodo bụ mmekọrịta obodo nke dị n'etiti ndị mmadụ ndị nọ n'otu ọchịchị a, ọnọdụ echiche maọbụ ọchịchọ nke a ga-etinye na mmemme e kwekọrịtara. Ihe nke a pụtara bụ na njikọta obodo/mwekọta mba na-eleba anya n'ịdị n'otu na nhibe iwu ndị dabara adaba. Ọzọkwa, Coleman & Rosber (1954:9) kọwara n'Enaruna (2014:63), hụtara mwekọta nke mba dịka mwedata omenala nke mba na-aga n'ihu, obi nkonelu nke mba ma kwụsị ịga n'ihu

ya n'ụzọ ikepụta obodo ọchịchị dabara adaba. Iji kọwaa nke a nke ọma, Ojo (2009:206) kọwakwara na Enaruna (2014:69) kọwara na mwekọta mba/njikọta obodo bụ ụzọ obere obodo na ndị nwere nkọwa doro anya ndị nwere nrube isi n'ebe obodo ha maọbụ Steeti ha karịrị nrubeisi nke oge gara aga. Na nchikọta, Naijiria dika obodo agbaala ọtụtụ mbọ n'ebe ihe gbasara njikọta obodo/mwekọta mba nọ. Iji maa atụ, otu ndị na-efe ala nna ya bụ NYSC n'aha ịchafụ ka a na-eji agba ndị ntorobịa na-anwu mpaghara akụkụ obodo anyị a niile bụ Naijiria. Ọzọkwa, ụlọakwụkwọ ndị Sekọndịrị nke ndị gọọmentị etiti niile bụkwa ụzọ ọzọ e ji akwalite nghọta n'etiti ndị mmadụ si agbụrụ dị iche iche.

Mmepe Obodo

Mmepe obodo gụnyere ụzọ niile na mpaghara niile e si emepe obodo. Alolor (2014), kọwara na mmepe obodo na-eleba anya n'ịkwalite ọdịmma nke ọha na eze na ndị mmadụ bị n'ala anyị. Ọ gbakwunyere na e nwere ike ịkwalite ọdịmma nke ọha na eze a site n'inye ha ezigbo ọnọdụ agụmakwụkwọ, ezigbo ụzọ, mmiri dị mma, ngwa a ji agwọ ọrịa na ihe ndị ọzọ. N'otu aka a hụkwa, Lawal & Oluwatoyin (2011: 238) kọwara mmepe obodo dịka mmepe niile maọbụ iji kọta ọnụ akụ na ụba nke ọha na eze, ọchịchị tinyekwara ọganiihu nke okpukpere chi nke ala anyị maọbụ obodo anyị.

Ụzọ ka mma e si enweta nke a bụ site na atụmatụ mmepe nke e nwere ike ịkọwa dịka ụzọ dị iche iche e wekọtara ọnụ nke gọọmentị wepụtara. Ọzọkwa, Bhawna (2016) kwuru na e nwere ike ịkọwa mmepe obodo n'ụzọ ka mma dịka mmepe niile zuru oke na nke dabara adaba nke gbasara mpeghara ma ọ bụ akụkụ obodo niile dịka ọchịchị, akụ na ụba, agụmakwụkwọ na ndị ọzọ. Ya bụ, mmepe obodo dịka ubibi obodo ji arigo iji kwalite ndụ ndị nọ n'obodo ya.

Nchọcha A Hụrụ Anya

Atmawati (2018) mere nchọcha ihe ọmụmụ n'ihe gbasara ile mmadụ anya n'ihu na jenda n'obodo anyị a: ọmụmụ n'ụdịdị asụsụ nke nwere ikike ịhọrọ nwoke na nwaanyị. Ebumnobi ihe ọmụmụ bụ ikpughe ọtụtụ ụzọ dị iche iche etu obodo si eche echiche maka ọnọdụ nwoke na nwaanyị site n'ịgbaso usoro asụsụ n'obodo. E mere ihe ọmụmụ a site n'ịmụ maka njieme asụsụ n'akụkọ ifo na akụkọ mere eme. Nchọcha a gbasara usoro diskriptive, njieme e jiri mee nchọcha malitere site na ikuku intaneti site n'iji usoro nhatanha na nkesa. Ihe a achọpụtara na-egosi na ile mmadụ anya n'ihu na jenda n'obodo anyị ka a na-egosị n'ụzọ dị iche iche n'ọdịdị asụsụ na-ahọrọ nwoke na nwaanyị. Ihe ọmụmụ a dị mkpa na nchọcha nke a a na-eme ugbu a n'ihi na ọ gbara mbọ ịkọwa lleba anya n'ụfọdụ ihe ndị na-ewepụta ndịiche ndị dị n'ọdịdị asụsụ nke nwoke na nwaanyị. Ahaghị n'otu jenda zuru ọha ọnụ ebe niile n'ụwa. Quibria (1995) kwenyere na nkọwa a dị n'elu bụ onye kọwara na a bịa n'ụwa niile gbaa gburugburu, ụmụnwaanyị bụ ndị na-anaghị agụ akwụkwọ ma nweekwa obere ohere ịzọ ọkwa ọchịchị ọbụla n'oge ọchịchị.

Madụbụike (2015) mere nchọcha na omenala, jenda na njirimara akara na eziokwu nke obodo Igbo. Ebumnobi nchọcha a bụ ihibe ihe nleba anya n'akara jenda ya na mwube na ewubeghị njirimara nke hibere isi n'ime mmetụta ọbịbịa ndị ọcha n'ihe gbasara akara jenda na njirimara ọha na eze. E nwetara njieme nchọcha a site n'ịgba ajụjụ ọnụ, mkparịta ụka n'etiti otu na otu na ihe nleba anya. Ihe nchọpụta na-ekpughe na ndị zara ajụjụ ọnụ ahụ bụ ndị dị afọ iri abụọ na ise ruo n'afọ iri anọ na ise hụtara ahaghị otu a dịka nke omenala mere nke na-achọghị

mgbanwe ọdịdị ya na nkwenye ya n'oge ugbu a mmepe obodo batarala. Ebe ndị zara ajụjụ ndị dị afọ iri ise gaa n'ihu kwenyere na ọ bụ site na mmetụta ọbịba ndị ọcha bịara ma webata agụmakwụkwọ na okpukperechi bụ ihe ndị bụ mgbọrọgwụ maọbụ ihe ndị wubere ahaghị n'otu nke akara jenda na njirimara na mpaghara obodo ahụ. Nchọcha bara uru na nchọcha nke a na-eme ugbu a n'ihi na ọ kọwara, isi ihe na-akpata akara jenda na njirimara ya nke metụtara nchọcha nke ugbu a.

Bonny (2002) mere nchọcha nke ya n'igosị jenda na ịkọwapụta ọrụ jenda n'ụfọdụ ejije Amerika ọhụrụ na ndị ochie a họọrọ. Ebumnobi nchọcha a bụ ileba anya etu e si egosị jenda ma chọpụta etu e si achọpụta ọrụ jenda ma kọwaa ya; n'ụfọdụ ejije ọlọrọhuru na nke ochie ndị Amerika. Ihe ịrịba ama dị na nchọcha a bụ nke sitere na nnukwu isiokwu bụ jenda n'ihi na ihe gbasara ya dị oke mkpa na mpaghara akụkụ ọmụmụ ihe dị iche iche ma na-achọpụta etu jenda si emetụta site otu mpaghara ruo na mpaghara nke ọzọ ma ghọtakwa etu nkọwa si enye aka n'ịkọwa jenda na ịghọta ihe bụ jenda na mpaghara ọmụmụ ihe ọzọ. Ajụjụ nchọcha abụọ nyere aka na nchọcha a. Ajụjụ nchọcha abụọ ndị a chọpụtara ụdị ọrụ jenda e nwere na udị akparamagwa agwa ahụ na-ewepụta. Ọ na-elebakwa anya ịtụle ma oge maọbụ okike odee ejije o nwere ka o si metụta ngosịpụta jenda. Usoro ntụle akọmakọ bụ usoro a gbasoro iji chọpụta agwa a chọrọ n'ejije nke ọbụla.

Nchọpụta gosịrị na site n'ọrụ jenda, agwa na-ahụ oke nke na-akpachị akparamagwa ha na olu ha. Ọzọkwa agwa ndị nwaanyị na-enweta ntaramahụhụ siri ike ma ha mehie n'akaramagwa ha karịa agwa ụmụnwoke. Jenda ndị e gosịrị n'ejije ọlọrọọhụrụ kara wepụta ụzọ ọdịnala chọrọ karịa nke ugbu a. Nchọcha a bara uru na nchọcha a na-eme ugbu a n'ihi na ọ na-akọwa ọrụ jenda etu o si metụta ejije ugbu a.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ahaghị otu jenda dịka ọdachi nyere mwekọta mba ma ọbụ njikọta obodo na mmepe obodo: ọkachasị na okpuru ọchịchị Bende nke Abịa Steeti.

Mbunuche nchọcha a kpọnkwem gụnyere;

1. Ịchọpụta ihe na-ebute ahaghị otu jenda n'ebe mwekota mba maọbụ njikọta na mmepe obodo nọ.
2. Ịmata ihe ahaghị otu jenda a na-ebute n'obodo anyị.
3. Ịchọpụta ụfọdụ ihe ndị a ga-eji gboo nsogbu a ahaghị otu jenda na-ebute nke na-egbochi njịkọta na mmepe obodo.

Ajụjụ Nchọcha

1. Gịnị na-ebute ahaghị otu jenda n'obodo anyị?
2. Kedụ nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ?
3. Gịnị bụ ihe ụfọdụ a ga-eji gbochie nsogbu ndị a ahaghị otu jenda na-ebute nke na-egbochi ịdịnotu na mmepe obodo.

Ụma Okwu/Echiche Nchọcha

Echiche/ụma okwu nchọcha ndị a ka e mebere iji nye aka duzie nchọcha a. A nwalere ha site n'iji ọkwa ịrịba ama 0.05.

ỤO1 – o nwere ndịiche a hụrụ anya dị n'etiti miin n'ogo ndị nwoke na ndị nwaanyị zara ajụjụ ọnụ n'ihe kpatara ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

ỤO2 – o nweghị ndịiche a hụrụ anya n'etiti miin n'ogo ndị nwoke na ndị nwaanyị zara ajụjụ ọnụ n'ihe gbasara nsogbu ahaghị otu nke jenda na-ebute n'obodo anyị.

ỤO3 – o nweghị ndịiche ahụrụ anya dị n'etiti miin n'ogo ndị nwoke na ndị nwaanyị zara ajụjụ ọnụ n'ihe bụ ihe ndị e nwere ike iji gboo nsogbu ndị a ahaghị otu jenda na-enwe nke na-egbochi njikọta na mmepe obodo.

Usoro Nchọcha

Usoro a gbasoro mme nchọcha a bụ usoro nkọwa sovee. Dịka Nworgu (2015) siri kọwaa, ụdị nchọcha sovee nkọwa na-eleba anya ma nchọcha nke ọnụọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha buru ibu na nke dị ntakịrị, site n'ihọrọ ma nyochaa nsere a họọrọ site n'ọnụ ọgụgụ iji chọpụta etu e si kee ihe omume nke ikwu na ibe nakwa mmekọrịta na-agakarịta n'etiti mmadụ a hụrụ anya na ndị e bu n'uche ndị mebere ọnụọgụgụ nchọcha.

A họọrọ sovee nkọwa a n'ihi e lere anya na ọ dabara adaba na nchọcha a n'ihi na ndị nchọcha nwere mmasi n'ịchọpụta ọgbatauhie ahaghị otu nke jenda na njikọta na mmepe obodo n'okpuru ọchịchị Bende na Steeti Abịa. Ihe kpatara e jiri họrọ ebe nchọcha a bụ n'ihi na otu n'ime ndị nchọcha a si n'okpuru ọchịchị Bende n'ihi ya ọ maara nsogbu ha na-enwe n'ihe gbasara ahaghị otu jenda. Ọnụọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha a dị puku isii, narị asatọ na iri anọ (6,840) nke gụnyere ndị debara aha ha n'otu mmepe obodo nwere nke mebere okpuru ọchịchị ahụ. Ọnụọgụgụ a bụ (6,840) gụnyere ụmụnwoke dị puku atọ (3000) na ụmụnwaanyị dị puku atọ narị asatọ na iri anọ (3840) bụ ndị e jiri mee nchọcha a.

Tebụlụ 1: Ọnụọgụgụ Nchọcha

S/N	Ọnụọgụgụ Ndị Otu Mmepe Ime Obodo Bende Debara Aha Ha			
		Ndị Nwoke	**Ndị Nwaanyị**	**Ha Niile**
1.	Bende Town	350	450	800
2.	Itumbauzo	190	264	454
3.	Uzuakoli	381	424	805
4.	Umuhu-Ezechi	148	267	415
5.	Nkpa	200	220	420
6.	Ozui-Item	310	340	650
7.	Igbere	246	494	740
8.	Alayi	300	300	600
9.	Ugwueke	205	349	554
10.	Item	370	380	750
11.	Ezeukwu	300	352	652
	Ha Niile	**3000**	**3840**	**6840**

Ebe E Si Nweta: Okpuru Ọchịchị Bende (2019)

Tebụlụ 2: Tebụlụ Nsere

S/N	Ọnụọgụgụ Ndị Otu Mmepe Ime Obodo Bende Debara Aha Ha Ndị Eseere			
		Ndị Nwoke	**Ndị Nwaanyị**	**Ha Niile**
1.	Bende Town	35	45	80
2.	Itumbauzo	19	26	45
3.	Uzuakoli	38	42	80
4.	Umuhu-Ezechi	15	27	42
5.	Nkpa	20	22	42
6.	Ozui-Item	31	34	65
7.	Igbere	25	50	75
8.	Alayi	30	30	60
9.	Ugwueke	20	35	55
10.	Item	37	38	75
11.	Ezeukwu	30	35	65
	Ha Niile	**300**	**384**	**684**

Ngwa ndị e ji nweta njieme nchọcha bụ akwụkwọ njụmaza nke isiokwu ya bụ Njụmaza Ahaghị Otu Jenda na Njikọta Obodo (NAOJNO). A haziri akwụkwọ njụmaza a ụzọ abụọ. Nkeji nke mbụ (A): Ebe a ga-esi enweta ihe niile gbasara onye ọzịza ajụjụ a. Ebe nkeji nke abụọ (B) ka a haziri ụzọ atọ A, B, CH nke na-anọchi anya ajụjụ nchọcha atọ ndị ahụ e ji eme nchọcha.

Agba nke mbu A nwere ihe ise gbadoro ụkwụ n'ajụjụ nchọcha nke mbụ. Agba nke abụọ B nwere ajụjụ dị ise ị ga-aza gbadoro ụkwụ n'ajụjụ nke abụọ ebe agba nke atọ C nwerekwara ihe ise gbadoro ụkwụ na ajụjụ nchọcha nke atọ

Ajụmaza a nwere ajụjụ iri na ise (15). E wepụtara uso anọ a ga-eji zaa ajụjụ ndị a ma na onye ọzịza ịhọrọ nke o kwenyere dịka:

Nkwenyesi Ike – NI (4 marks)
Nkwenye – N (3 marks)
Ekwenyeghị – E (2 marks)
Ekwenyeghị Ike – EI (1 mark)

Ndị nchọcha jiri ndị enyemaka ọrụ nchọcha mmadụ atọ iji kee akwụkwọ ajụmaza nye ndị ga-aza ya. A kọwaara ndị enyemaka ọrụ nchọcha ndị a ụzọ kwesiri ekwesi ha ga-esi kee akwụkwọ ajụmaza ndị ahụ.

Akwụkwọ ajụmaza ahụ dị otu narị na iri asatọ na anọ (684) nke e bipụtara ma kee ndị mmadụ. Ndị nchọcha jiri miin maka ajụjụ nchọcha ma jiri nwale ọnụọgụgụ maka ụmaokwu nchọcha a. E weere min dị 2.5 gbagoro n'ihu dịka ihe nlereanya ma agaghị anabata 2.5 gbadata ala. Ebe e jiri ọnụọgụgụ a nwalere anwale wee mee ụmaokwu ka ọ nọrọ n'ogo 0.05 a hụrụ anya.

Rizọlt

Tebụlụ 3: **Ogo Miin Oke na Nwunye nke Bende na Ihe na-akpata Ahaghị Otu Jenda n'ebe Njikọta na Mmepe Obodo Nọ.**

		Ndị Nwoke			Ndị Nwaanyị		
S/No	**Ihe Ndị Ajụmaza**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**
1.	Omenala	2.96	0.94	A	3.01	0.98	A
2.	Nkwenye Okpukperechi	2.85	0.91	A	2.88	0.93	A
3.	Agụghị Akwụkwọ	2.68	0.87	A	2.71	0.89	A
4.	Ogbenye	3.02	1.02	A	2.99	0.99	A
5.	Nkwenye Adịghị Mma maka Jenda	2.72	0.89	A	2.81	0.81	A

Tebụlụ (3) na-anọchị anya ogo miin ndị nwoke na ndị nwaanyị bụ ndị denyere aha ha n'otu mmepe obodo Bende n'ihe na-akpata ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ. Ihe ise ndị a ka a tụlere n'elu, akara e ji gbubie ya bụ 2.50 n'isiokwu anọ e ji tụnyere ya. Ihe ndị a bụ 1, 2, 3, 4 na 5 nwere miin nke maakị ya 2.96, 2.85, 2.68, 3.02 na 2.72 ya na standad divieshọn bụ 0.94, 0.91, 0.87, 1.02 na 0.89 n'otu n'otu maka ndị nwoke zara ajụjụ. Ebe otu ihe ise ndị a nwekwara maakị bụ 3.01, 2.88, 2.71, 2.99 na 2.81 ya na standad divieshọn bụ 0.98, 0.93, 0.89, 0.99 na 0.81 n'otu n'otu maka ndị ọza ajụjụ ndị nwaanyị.

Tebụlụ 4: Ogo Miin Nke Ndị Nwoke na Ndị Nwaanyị Nọ na Bende na Ihe Nsogbu Ahaghị Otu Jenda na-Ebute N'ebe Njikọta na Mmepe Obodo Nọ.

		Ndị Nwoke			Ndị Nwaanyị		
S/No	**Ihe Ndị Njụmaza**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**
6.	Esonyeghị N'ihe Gbasara Mmepe	2.88	0.92	A	2.89	0.93	A
7.	Nkwenye Okpukperechi	3.04	1.02	A	3.01	0.99	A
8.	Agụghị Akwụkwọ	2.99	1.01	A	3.03	1.02	A
9.	Ogbenye	3.68	0.81	A	2.96	0.98	A
10.	Nkwenye Adịghị Mma maka Jenda	2.87	0.82	A	2.71	0.92	A

Tebụlụ 4 na-egosị ogo miin nke ndị nwoke na ndị nwaanyi denyere aha ha n'otu mmepe obodo Bende na nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ. Ihe ise ndị a atụlere n'elu nke e gbubiri maakị ya na 2.50 n'isiokwu ntụnyere anọ.

Ihe ise ndị a bụ 6, 7, 8, 9 na 10 nwere maakị miin bụ 2.88, 3.04, 2.99, 3.68 na 2.85 ya na standad divieshịọn bụ 0.92, 1.02, 1.01, 0.81 na 0.82 n'otu n'otu maka ndị nwoke. Ihe ise ndị a nwekwara maakị miin bụ 2.89, 3.01, 3.03, 2.96 na 2.71 ya na standad divieshịọn bụ 0.93, 0.99, 1.02, 0.98 na 0.92 n'otu n'otu maka ndị ọza ajụjụ ndị nwaanyị.

Tebụlụ 5: Ogo Miin E Ji Atụnyere Ndị Nwoke na Ndị Nwaanyị Bende na Ihe A Ga-Eji Gboo Nsogbu Ahaghị Otu Jenda N'ebe Njikọta Na Mmepe Obodo Nọ.

		Ndị Nwoke			Ndị Nwaanyị		
S/No	**Ihe Ndị Njụmaza**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**	$\bar{X}$	**SD**	**Mkpebi**
11.	Ohere Agụmakwụkwọ	2.97	1.09	A	2.98	1.01	A
12.	Inye Ụmụnwaanyị Ike	2.91	0.99	A	2.68	1.03	A
13.	Ohere Inwe Ihe Onwunwe	2.84	0.98	A	2.67	0.91	A
14.	Nghọta Ọhanaeze n'Ihe Ahaghị Otu Jenda na-Akpata	2.54	0.94	A	2.91	0.99	A
15.	Jenda Ịha Nhatanha	3.15	1.02	A	3.02	1.01	A

Tebụlụ 5 na-egosị miin e ji atụnyere ndị nwoke na ndị nwaanyị denyere aha ha n'otu mmepe obodo Bende n'ihe a ga-eji gboo nsogbu a ahaghị otu jenda na-akpata n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ. Ihe ise ndị a atụlere n'elu nke mgbubi maakị ha bụ 2.50 n'isiokwu ntụnyere anọ. Ihe ise ndị a bụ 11, 12, 13, 14 na 15 nwere maakị miin ha bụ 2.97, 2.91, 2.84, 2.54 na 3.15 ya na standad divieshịọn bụ 1.09, 0.99, 0.98, 0.94 na 1.02 n'otu n'otu maka ndị ọza ajụjụ ndị nwoke. Ihe ise ndị a nwekwara miin bụ 2.98, 2.68, 2.67, 2.91, na 3.02 ya na standad divieshọn bụ 1.01, 1.03, 0.91, 0.99 na 1.01 n'otu n'otu maka ndị ọza ajụjụ ndị nwaanyị.

ỤO 1: E nweghị ihe a hụrụ anya bụ ndịiche dị n'etiti akara miin ndị nwoke na ndị nwaanyị zara ajụjụ n'ihe na-ebute ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

Tebụlụ 6: Nnwale Ụmaokwu Ndị Nwoke na Ndị Nwaanyị Zara Ajụjụ Ọnụ N'ihe Na-Ebute Ahaghị Otu Jenda N'ebe Njikọta na Mmepe Obodo Nọ.

Otu	**N**	**X**	**SD**	**t-amw**	**t-akara nweta**	**Ogo Akara**	**df**	**Mkpebi**
Nwoke Nwaanyị	300 384	2.96 3.02	1.01	1.17	1.96	0.05	682	Nnabata
Ha Niile	**684**							

Tebụlụ – (6) na-egosị nnwale ụmaokwu (an) e ji achọpụta ndịiche ndị n'etiti akara miin ndị nwoke zara ajụjụ ọnụ na ndị nwaanyị zara ajụjụ ọnụ n'ihe na-ebute ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ. Akara e ji mee mgbakọ na mwepụ (an) bụ 1.17 n'ogo 682 ogo nnwere onwe (ono) na 0.05 ogo ịrịba ama (oịa).

Ebe akara mgbakọ na nwepụ bụ (an) 1.17 dị obere karịa akara e nwetara bụ 1.96, a nabatara ụmaokwu dị na nchọcha. E nwere ike ịchịkọta ya sị na o nweghị ndịiche a hụrụ anya dị n'etiti ndị ọza ajụjụ nwoke na ndị ọza ajụjụ nwaanyị n'ajụjụ ihe na-ebute ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

ỤO2: E nweghị ndị iche a hụrụ anya n'etiti akara miin ndị ọza ajụjụ nwoke na ndị ọza ajụjụ nwaanyị n'ajụjụ nke bụ nsogbụ ahaghị otu jenda na ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

Tebụlụ 7: Nnwale Ụmaokwu Nke Ndị Ọza Ajụjụ Ndị Nwoke na Ọza Ajụjụ Ndị Nwaanyị N'ajụjụ Nke A Bụ Nsogbu Ahaghị Otu Jenda Na-Ebute N'ebe Njikọta na Mmepe Obodo Nọ.

Otu	N	X	SD	t-amw	t-akara nweta	Ogo Akara	df	Mkpebi
Nwoke	300	2.99	1.04	1.17	1.96	0.05	682	Nnabata
Nwaanyị	384	2.78						
Ha Niile	**684**							

Tebụlụ 7 na-egosi nnwale ụmaokwu na-egosịpụta ndịiche dị n'etiti akara miin e ji a tụnyere ndị ọza ajụjụ ndị nwoke na ọza ajụjụ ndị nwaanyị n'ajụjụ nke a bụ nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

Akara e ji mee mgbakọ na nwepụ bụ (an) 1.17 n'ogo nnwere onwe (ono) bụ 682 na ogo iriba ama (oịa) 0.05. Ebe an bụ 1.7 dị obere karịa nke e nwetara bụ 1.96; a nabatara ụmaokwu dị na nchọcha a. E nwere ike isi na o nweghị ndịiche a hụrụ anya n'etiti akara miin e ji atụnyere ndị ọza ajụjụ ndị nwoke na ọza ajụjụ ndị nwaanyị n'ajụjụ nke a bụ nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

ỤO3: E nwere ndịiche a hụrụ anya pụtara n'etiti akara miin e ji a tụnyere ndị ọza ajụjụ ndị nwoke na ọza ajụjụ ndị nwaanyị n'ihe ndị a ga-eji gboo nsogbu ndị ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

Tebụlụ 8: Nnwale Ụmaokwu Ndị Ọza Ajụjụ Ndị Nwoke na Ọza Ajụjụ Ndị Nwaanyị N'ihe Ndị A Ga-eji Gboo Nsogbu Ndị Ahaghị Otu Jenda Na-Ebute N'ebe Njikọta Na Mmepe Obodo Nọ.

Otu	N	X	SD	t-amw	t-akara nweta	Ogo Akara	df	Mkpebi
Nwoke	300	2.88	1.01	1.17	1.96	0.05	682	Nnabata
Nwaanyị	384	2.91						
Ha Niile	**684**							

Tebụlụ – (8) na-egosị nnwale ụmaokwu (an) e ji achọpụta ndịiche ndị n'etiti akara miin ndị nwoke zara ajụjụ ọnụ na ndị nwaanyị zara ajụjụ ọnụ n'ihe a ga-eji gboo nsogbu ndị ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ. Akara e ji mee mgbakọ na mwepụ (an) bụ 1.17 n'ogo 682 ogo nnwere onwe (ono) na 0.05 ogo ịrịba ama (oịa).

Ebe akara mgbakọ na nwepụ bụ (an) 1.17 dị obere karịa akara e nwetara bụ 1.96, a nabatara ụmaokwu dị na nchọcha. E nwere ike ịchịkọta ya sị na o nweghị ndịiche a hụrụ anya dị n'etiti ndị ọza ajụjụ nwoke na ndị ọza ajụjụ nwaanyị n'ihe a ga-eji gboo nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ.

Nkata Ihe a Chọpụtara

Ọ bụ uche ndị ọza ajụjụ nwoke na nwaanyị nọ na Bende (tebụlụ 3) na ihe na-akpata ahaghị otu jenda gụnyere omenala, okpụkperechi, nwkenye, agụghị akwụkwọ, ogbenye na ihe ndị ọzọ. Ihe nchọpụta ndị a dabanyere n'ihe Azikiwe (1992) kwenyere onye chọpụtara ọtụtụ omenala na nkwenye ka na-emetụta ọnọdụ ụmụnwaanyị ebe ọ dị ukwuu na ebe ọ dị njọ. Ihe

Azikiwe kwuru n'elu na-akọwa na a haziri obodo ka ọ na-akwanye ụmụnwaanyị na-amanye ha ikwenye n'ọrụ ọbụla obodo nyere ha; ọ bụrụ godu mgbe na-enweghị ihe ọbụla kpatara ahaghị otu megide ụmụnwaanyị. Aguene (1999) ikwenyere na nke a kọwara na ọ bụ nsogbu ọha na eze nke ọ kọwara na ọ bụ idachapụ n'ihe ọha na-eme ha kwenyere na ya ma hụ ya n'anya. Ikwenye na nke a, Aguene (1999) chọpụtara na n'obodo ụwa nke atọ, ụmụnwaanyị dịka òtú nwere obere uru ha bara n'agbanyeghị na ha na-arụ ọrụ ọtụtụ awa karịa ụmụnwoke. Ọnọdụ dị etu na-ewebata ọgbatuhie n'ebe nhatanha jenda nọ n'obodo n'ihi ọ bụ ihe dọrọ anya n'ezie na nkwenye na omenala bụ otu n'ime nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ime ime obodo ndị a.

Ọ bụ uche ndị ọza ajụjụ nwoke na nwaanyị na n'okpuru ọchịchị Bende (tebụlụ 4) na nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute gụnyere, etinyeghị aka na mmepe obodo, nkwenye okpukperechi, agụghị akwụkwọ, ogbenye, ịkpọ ekwo nkụ n'ihe gbasara jenda na ihe ndị ọzọ. Nchọpụta a dabara n'ihe Eitzen na Baca-Zinn (2003) kwuru bụ ndị chọpụtara na ụmụnwoke bụ ndị a na-asị na ha bụ ndị ji ọkwa na ọnọdụ kachanụ n'ebe ndị na-arụ ọrụ n'ala anyị nọ; aka ọrụ ndị kachanụ nakwa ezigbo ọrụ ndị kachanụ. Ihe ndị a niile a na-anapụ ụmụnwaanyị na-ebute mmegbu na nledeanya. Iji kwenye n'ihe a kwuru n'elu, Nwakoby (2003) chọpụtara n'ọdinala obodo anaghị enye ụmụnwaanyị ohere agụmakwụkwọ dị nhatanha ka nke ndị nwoke. Dịka o siri kwuo, agụmakwụkwọ bụ maka ndị nwoke naanị ebe ndị nwaanyị kwesịrị ịnọ n'ụlọ na-enye aka n'ọrụ ụlọ. N'agbanyeghị na a na-emegbu ụmụnwaanyị emegbu ma na-eleda ha anya, dịka ndị na-adịghị mkpa n'obodo, ma n'ihi nnukwu umealị, ugwu na nsọpụrụ ha nwere n'ebe ụmụnwoke nọ nke mere ha ji ahụta ụmụnwoke dịka chi ha hụrụ anya ha na-efe ofufe nke a emeghị ka agụmakwụkwọ ụmụnwaanyị kwụsị naanị n'ụsọekwu na ịmụ nwa dịka e si ekwu ya oge niile. Ọ bụ ihe doro anya n'ezie na ịkpọ ekwo nkụ n'ihe gbasara jenda bụ otu n'ime nnukwu nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ime ime obodo ndị a.

Ọ bụ uche ndị ọza ajụjụ ndị nwoke na ndị nwaanyị na Bende (tebụlụ 5) na ndọzi nsogbu ahaghị otu jenda nke gụnyere inwe ohere agụmakwụkwọ, ịkwalite ụmụnwaanyị n'aka ọrụ maọbụ ịzụ ahịa, inye ụmụnwaanyị ohere inwe akụ na ụba, maọbụ iketa oke n'ezi nna ha, ịgbasa ozi ọha na eze gwaa ndị mmadụ nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute, jenda iha nhatanha na ihe ndị ọzọ. Nchọpụta a dabara n'ihe Ugwu (2010) kwuru onye chọpụtara na ụmụnwaanyị enweghị ikikere inwe ala na akụ na ụba ndị ọzọ. Ihe dị n'elu kọwakwara na ebe uche ụmụnwaanyị na-adịkarị n'ọrụ ha n'ebe mmepe na ọganiihu obodo bụ nke dị ala. Ọ na-atụnye aro na ndị gọọmentị ga-agba mbọ hibe otu ga na-ahụ na e nwere nhatanha jenda n'obodo anyị. Ọ na-atụnyekwa aro na gọọmentị ga-emezu atụmatụ niile ga-echekwa ike ụmụnwaanyị megide ọgbaghara, ịkatọ ụzọ omenala na ọdịnala ọbụla na-emegide ụmụnwaanyị. Ọ bụ ihe dorola anya na ohere inwe ala na ihe onwunwe ndị ọzọ n'ala anyị bụ otu nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ime ime obodo ndị a.

Nchọpụta ụmaokwu nke mbụ (tebụlụ 6) na ihe na-akpata ahaghị otu jenda n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ na-egosị na omenala, agụghị akwụkwọ na ndị ọzọ bụ ihe na-akpata ahaghị otu jenda. Rizọlt na-egosi n'etiti ihe ndị ọzọ na ihe a e kwuru n'elu bụ ihe na-ebute nsogbu ahaghị otu jenda na-emetụta ndị mmadụ bi n'ime ime obodo n'ụzọ dị njọ.

Nchọpụta ụmaokwu nke abụọ (tebụlụ 7) na nsogbu ahaghị otu jenda na-ebute n'ebe njikọta na mmepe obodo nọ na-egosi na ịkpọ ekwu nkụ n'ihe gbasara jenda, nkwenye okpukperechi na ndị ọzọ bụ nsogbu ahaghị otu jenda. Rịzọlt na-egosi na nsogbu ndị a na-egbochi ndị mmadụ ịnọ na-apụta ma na-esonye n'ihe a na-eme nke na-ebute uto na mmepe obodo.

Maka ụmaokwu nke atọ (tebụlụ 8) nchọpụta na-egosi na-enweghị ndịiche a hụrụ anya n'etiti ndị ọza ajụjụ n'ihe gbasara ụzọ a ga-esi dozie nsogbu ahaghị otu jenda. Rịzọlt na-egosi na ụfọdụ ihe ndozi ndị a gụnyere ohere agụmakwụkwọ, nhatanha jenda na ndị ọzọ, ndị ga-ebute udo, ịdịnotu na mmepe na obodo anyị.

Mmechi

Ahaghị otu nke jenda bụ ihe a mara nke ọma n'obodo anyị ọkachasị n'okpuru ọchịchị Bende nakwa n'ala anyị niile. Baumann (2000) kọwara na mmekọrịta jenda na-emetụta, nchekwa ezinụlọ, ọdịmma ezinụlọ, atụmatụ, nchekwa na ọtụtụ ihe ndị ọzọ gbasara ndụ. Nke a na-egosi na ahaghị otu jenda na-achọ ịkọwa ọrụ dịịrị okike mmadụ ọbụla ma nwoke ma nwaanyị n'ọha ma n'omenala obodo ọbụla. Ọ bụ ihe doro anya na ahaghị otu jenda bụ otu n'ime nnukwu nsogbu ndị na-emetụta njikọta obodo na mmepe obodo. Nke a bụ ọnọdụ ebe na-enweghị nhatanha n'etiti ndị nwoke na ndị nwaanyị n'obodo. E nwere ike ịhụta ahaghị otu jenda site n'omenala, nkwenye, okpukperechi, nkwenyesike na jenda, ogbenye na ndị ọzọ. Site n'ihe niile ndị a ọ bụ ihe doro anya n'ezie na ahaghị otu jenda bụ ihe dị adị n'obodo. N'agbanyeghị nke a, nhatanha jenda bụ ihe a chọrọ n'obodo maka njikọta na mmepe obodo.

Aro

Site n'ihe ndị nchọcha a chọpụtachara, ndị nchọcha tụnyere aro ndị a:

- E kwesịrị inwe ohere agụmakwụkwọ dị nhatanha maka jenda ọbụla nke ga-enye ụmụnwaanyị ohere itinye ọnụ n'okwu gbasara mmepe obodo n'ala anyị gbaa gburu gburu.
- E kwesịrị inwe nhatanha jenda nke ga-enye aka n'ụzọ dị ukwuu inye jenda ọbụla ikikere dị nhatanha n'ihe gbasara ohere ọrụ, iketa oke nna, ọrụ ọchịchị na ọtụtụ ndị ọzọ n'obodo na okpuru ọchịchị a.

  Nke a ga-ebelata ma ọ bụrụ na ọ gaghị akwụsịcha mmegbu na nleda anya na-aga n'obodo ndị a dị n'okpuru ọchịchị Bende nakwa ebe ndị ọzọ n'ala anyị.

Nrụaka

Aguene, I.N (1999). Contemporary Social Problems. Nsukka: Prize Publishers Allyn & Bacon.

Ajolor, R. (2014). What is the National Development? www.slideshar.net>ricoalolor>what-is-the...

Azikiwe, U. (1992) "Gender Issues and the Universal Basic Education (UBE) Programme. Paper Presented for the Semina on Universal Basic Education. Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka. July 3-7.

Beauvoir, S. (1989). The Second Sex. www.amazon.com

Bello-Imam, I.B (1987). Problems of National Integration in Nigeria. Ind. J. Pol. Sci. XLVIII: 2: 260-281.

Bhawna, B. (2016). National Development: Meaning and Problems. http:/www. yourarticlelibrary.com/society/national-development-meaning-and-problems/76824/.and-problems/76824/

Coleman, J.S & Rosberg, C.G. Jr. (1964). Political Parties and National Integration in Tropical Africa. Berkeley: University of California Press.

Eitzen, D. & Baca-Zinn, M. (2003). Social Problem: Gender Inequality. Bonton:

Enaruna, E. (2014). National Integration, Citizenship, Political Participation and Democratic Stability in Nigeria. An International Journal of Arts and Humanities. 3(3).

FAO (1997). What is Gender? www.fao.org

Gberevbie, D.E. Oshibanjo, A.O., Adeniji, A.A. & Oludajo, O.A. (2014). An Empirical Study of Gender Discrimination and Employee Performance among Academic Staff of Government Universities in Lagos State. Nigeria International Journal of Social, Human Science and Engineering. 8(1). Pp. 101-109.

Gupta, G.R. (2000). Gender, Sexuality and HIV/AIDS: That what, the why and the how www.pubmed.ncbi.nlm.nih.grv>...

Human Development Reports (2018). Gender Inequality Index: www.hdr:undp.org>c-onte-nt>gender-inequality-index:

Jackson, R.M. (2018). What Causes Gender Inequality: http://www.ny_u.edu/classes/j-ackson/causes-of-gender-inequality.

Jacob & Tenue (1964). National Integration, Citizenship, Political Participation. www.ajol.info>index.php>ijah>article>view.

Lawal, T. & Oluwatoyin, A. (2011). National Development in Nigeria Issues, Challenges and Prospects. *Journal of Public Administration and Policy Research*. 3(9): 237-241.

Nwakoby (2003). The Position of Women in Ubesie's Novel. M.A. Project, Development of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ojo. E.O. (2009). Mechanism of National Integration in a Multi-ethnic Federal State. The Nigerian Experience. Ibadan: John Archer Publishers Ltd.

Quentin, B. (2008). The Effect of Gender Inequality on Growth: A Cross-country Empirical Study. The Park Place Economist 16(1).

Quibria. M.G. (1993). Gender and Poverty: Issues and Policies with Special References to Asian Developing Countries. Wiley Online Library. Onlinelibrary.wiley.com.